Nsukka Journal of the Humanities

**2023**, 31, (2) www.njh.com.ng/

*Article*

# Mmekpaahụ Olundị n'Ideta Edemede Asụsụ Igbo n'Ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Senịọ n'Okpuru Ọchịchị Ụzọ-Ụwanị, Steti Enugwu, Naịjiria

**Roseline Ifeoma Eze**

*Department of Arts Education, University of Nigeria Nsukka, roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng*

**Umị Edemede**

*Nchọcha a lebara anya na Mmkpaatụ olundị na-ebute n'ideta edemede asụsụ Igbo n'Ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Senịọ dị n'okpuru Ọchịchị Ụzọ-ụwanị, Steti Enugwu Naịjiria. Ụdị nchọcha onye nchọcha jiri mee nchọcha bụ nke Nka Nchọcha Adịm Nkọwa* (Descriptive survey research design). *Onye nchọcha ji usoro tombom tombom wee họrọ ụlọakwụkwọ abụọ nakwa ụmụakwụkwọ iri anọ (40) bụ ndị e ji mee nchọcha. Ụdị ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha bụ ajụjụ njụmaaza dị iri abụọ; Mmekpaahụ olundị n'ọmụmụ edemede asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Senịọ (MONOAINUSS) na edemede nnwale nke ndị nkuzi abụọ nọ na ngalaba asụsụ Igbo nakwa sayensị Edukeshọn lebara anya, ma kwenye na ya bụ ngwa nchọcha dabara nke ọma ma baa uru na nchọcha e ji ya eme. Onye nchọcha jiri usoro miin na ndịpụnizugbe wee hazie ihe ndị ọ chọpụtara ma jikwara t-test nnwale ụmokwu nchọcha ya. Site n'ọsịsa ụmụakwụkwọ, onye nchọcha chọpụtara na olundị asụsụ Igbo na-enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo nke ukwuu, olundị ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo ji a kụziri ụmụakwụkwọ na-emetụta mmeta nke ọma ha n' edemede Igbo, asụsụ nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha na-emetụta odide edemede Igbo. Ndị gọmenti kwesiri inye ndị nkụzi asụsụ Igbo ọzụzụ kwamgbe kwamgbe sit na wọkshọp maka inweta ezigbo ọzụzụ n'ihe gbasara usoro nkuzi ọhụụ, iwebata ngwa nkuzi ndị ahụ enweghi n' n' ụlọakwụkwọ ime obodo ga-enyere nkụzi, ọmụmụ na mkpọkọ mkpụrụokwu asụsụ Igbo aka, ndị nne na nna kwesiri ịdị na-asụrụ ụmụaka ha Igbo izugbe ọtụtụ oge, ka ha na-amụta.*

**Igodookwu:** *Mmekpaahụ, olundị, edemede, asụsụ Igbo, Sekọndịrị*

**Abstract**

*The study examined the impact of dialect on senior secondary school students' achievement in Igbo writing in Uzo-uwani local government Area of Enugu State, Nigeria. Descriptive experimental research design was used. Simple random sampling ws used to select 40 students from two schools. Instruments used for data collection were 20-item questionnaire on the impact of dialect on students' achievement on Igbo writing (QOISAIW) and test. The instruments were developed by the researcher and validated by experts in Arts Education Department, and Measurement and Evaluation Department, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka. Two research questions and two hypothesis tested at 0.05 level of significance were formulated to guide the study.. Reliability coefficient of 0.86 was obtained .The data collected were analyzed using mean score and standard deviation while t-test was used to analyse the hypothesis. Findings reveal that dialect interefere with the pronounciation of Igbo language students from uzo uwani local government Area. Based on the findings, it was recommended that government should package training programmes that will help teachers to have practical knowledge of new methods of teaching the subject in the area of pronounciation, provision of instructional materials to teach the subject for effective curriculum implementation in the school system especially in the rural schools. Parents should be communicating with their children in the standard Igbo tone to improve their pronounciation competence.*

**Keywords:** *Dialect, secondary, students, achievement Igbo writing*

## Ntọala

Asụsụ bụ ụkwụ ọdịmara nke ndị mmadụ ji akparịtaụka ma na-ezipụta echiche ha n'ụdị ekwurunọọnụ maọbụ ederede. Asụsụ bụ njirimara omenaala agbụrụ ọbụla nke ha ji ezikọrịta ozi. Nke a mere na agbụrụ ọbụla hapụrụ asụsụ ha ka ọ nwụọ, bụ ndị furu efu. Asụsụ dịka ụdọ e ji e jikọta mmadụ na omenaala ha. Ọ bụghị naanị okwu

**Copyright:** © 2023 by the authors. Submitted for possible open access publication under the terms and conditions of the Creative Commons Attribution (CC BY) license (https://creativecommons.org/licenses/by/4.0/).

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2023.31.2.95-104


nkịtị ka e ji asụsụ ekwu kama e jikwa ya enwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụrụ na asụsụ adịghị, ọ ga-ahịa mmadụ ahụ ịmata ebe mmadụ si maọbụ onye ọ bụ. Emenanjo (2004) kọwara asụsụ dịka okwu mmadụ kwuru n'ọnụ, bụ nke ya na ibe ya ji enwe mmekọrịta maọbụ agwarịta onwe ha okwu.

Anụmanụ niile nọ n'eluwa nwere asụsụ kama na ọ bụ naanị mmadụ nwere ike ịsụ asụsụ n'ụdị doro anya, bụ nke e nwere ike iji okwu ọnụ sụọ, dee ede ma gụọkwa a gụọ. Asụsụ dị n'ụwa a buru oke ibu ma dịkwazị iche iche.Nke a mere na olu e ji asụ ya si buru ibu ma agbụrụ ọbụla nwere olu asụsụ dị iche iche. Ọmụmaatụ: E nwere olu asụsụ Igbo dị iche iche n'ala Igbo. Onye Ọnịcha nwere ike ịkpọ ọhịa 'ọvịa ebe onye Ụzọ-uwani (Nkpologu) na-akpọ ya ụkatanyị, Ugbele ajịma na-akpọ ya Ọshụa. Okafọ na Ewelukwa (2016) kwadoro nke a site n' ikwu na ọtụtụ obodo dịka Aguleri na Ọnịcha na-akpọ "aha" dịka "ava", Igbuuzo a na-akpọ ya "afa". Ọ bụ olundị a dị iche iche bụ ihe na-ebute nsogbu n'odide edemede Igbo dị iche iche maka na ọ ga-ahịa onye abụghị onye obodo ahụ ahụ ịghọta ihe nwata akwụkwọ dere. Ụmụ anụmanụ dị iche iche nwere ụzọ dị iche iche ha si ezirita onwe ha ozi. Ilechukwu na Ezenagu (2016) kọwara na asụsụ dịka otu njirimara nke kewara mmadụ na ụmụ anụmanụ ndị ọzọ, ọ bụladị anụmanụ ndị ahụ na-akpa agwa dịka mmadụ.

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala anyị bụ Naijiria. Asụsụ Igbo bara ndị Igbo nnukwu uru maka na ọ bụ usoro ha ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha, akụzi na ịmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ, n'ogo ọbụla n'agụmakwụkwọ, bido na ọtakara ruo na mahadum. Ọ bụ n'ihi oke uru ọmụmụ asụsụ Igbo bara mere ndị atụmatụ agụmakwụkwọ Gọọmenti etiti ji gụnye ya n'ime asụsụ amaala atọ e kwekọrịtara ka a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ n'ala Naijịrịa (FRN, 2014). Ndị Igbo bi na ndịda ọwụwa anyanwụ Naijiria. Akụkụ ala Igbo ebe a na-asụkarị asụsụ Igbo zọnyere ụkwụ na steti ise ndị a nke gụnyere: Ebonyi, Enugwu, Imo, Abia na Anambra. E nwekwara ike ịhụ ndị Igbo n'ụfọdụ mpaghara Rivers, Cross Rivers, Benue, Delta, Akwa-Ibom na Kogi.

Asụsụ Igbo izugbe bụ asụsụ Igbo nwafọ Igbo ọbụla na-anụ n'agbanyeghị obodo maọbụ steti o si pụta n'ala Igbo. Nke a bụ maka na e nwere ọtụtụ olundị dị iche iche nke nghọta ya n'ahịa ahụ. Ọ bụ ndị otu na-ahụ maka ịkwalite asụsụ na omenaala (SPLIC), bụ nke Maazi S.E Ọnwụ mebere n'afọ 1961 gbara mbọ wepụta asụsụ Igbo izugbe. Ọ bụ olu ahụ a họrọ nke enweghi ndị a ga-asị na ọ bụ olu ha. E nwetara ya site n'olundị dị iche iche ekpokọtara ọnụ. Ọ bụ na ụfọdụ olundị ndị a dị iche iche ka e si wee mebe asụsụ Igbo izugbe maka na Igbo na-asụ n'olu n'olu mana a kwaa ụkwara, ọ bụrụ otu. N'ịga n'ihu, Egonu (2016) na Eze (2019) kwadoro na asụsụ Igbo jupụtara n'olundị di iche iche. Olundị a gụnyere : olu Ụzọ-uwani, olu Nsụka , olu Owerre, olu Abia, olu Udi, olu Izii, olu Ọnịcha, olu Afikpo na ndị ọzọ.

Olundị pụtara usoro na olu obodo di iche iche e nwere n'ala Igbo si asụ asụsụ ha. Ọ bụ etu ndị si asụ asụsụ ka a na-akpọ olundị maọbụ olumba. Ọmụmaatụ : E nwere ihe dị iche na olu asụsụ Igbo onye Imo, Ụzọ-uwani, Nsuka, maọbụ Abia. Ma e nwekwara ndịiche na ka onye Nkanu si asụ asụsụ Igbo ya na ka onye Izii si asụ asụsụ Igbo ya. Okoli (2016) kọwara olundị dịka asụsụ olundị e jiri mara otu obodo maọbụ ibe ya kpọmkwem. Udoka (2014) kọwakwara olundị dịka olu asụsụ dị iche iche e jiri mara otu mpaghara akụkụ ụfọdụ na-asụ otu asụsụ ebe Eze (2019) kọwara Olundị dịka olu okwu asụsụ Igbo a na-asụgasị na mba dị iche iche e nwere n'ala

Igbo. Ọ bụ olu asụsụ dị iche iche e ji mara obodo na mba. E nwere ike isi n'olu mmadụ mata ebe onye ahụ siri pụta. Ọ bụ olundị ndị a dị iche iche ka obodo ji ekwupụta maọbụ egosipụta omenaala ha dị iche iche, ịzụ ahịa nakwa ime ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị iche iche dịka mmekọrịta mmadụ na ibe ya sị dị. N'agbanyeghị ihe ndị a e ji olundị eme, ọ bụghị asụsụ Igbo anabatara kpọmkwem maka iji kụziere ụmụaka ihe n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche nakwa iji mụọ edemede asụsụ Igbo. Nke a bụ maka ọtụtụ olundị e nwere n'asụsụ Igbo. Ala Igbo buru nnukwu ibu. Ọ bụ n'ihi oke ibu ala Igbo buru mere e ji nwe ọtụtụ olundị na ya. Ọ bụrụ na mmadụ abụghị onye obodo olundị ahụ, ọ ga-ahịa onye ahụ ahụ ịmata ihe ha na-asụ n'agbanyeghị na ọ bụ asụsụ Igbo. Otu a ka ọ dị n'ebe ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị na-amụ asụsụ Igbo dị. Ụmụakwụkwọ ndị a nwere olundị dị iche iche nke dịwagara iche n'olundị onye nkụzi na-akụziri ha asụsụ Igbo nọ. Ha jikwa olundị ndị a ede ihe n'asụsụ Igbo, ọkachasị mgbe ha na-ede edemede asụsụ Igbo dị iche iche dịka Nkịnta kama ide Nkịta, Ụmụntịrị kama ide Ụmụaka, Nchị kama ide ntị dịrị gaba. Nke a mere o ji ahịa onye nkụzi nakwa ndị na-ahụ maka ule dị iche iche a na-ede n'asụsụ Igbo ahụ ịmata ihe nwata akwụkwọ ahụ chọrọ ịkọwa maọbụ ikwu n'edemede ya, bụ nke na-ebutere ya ọdịda n'ule asụsụ Igbo ha.

Edemede bụ echiche miri emi nke mmadụ chepụtara banyere ihe na-eme na ndụ ya maọbụ na gburugburu ya, bịa were asụsụ wee dee ya ka ndị ọzọ wee mata. Ọ bụ ihe ọbụla mmadụ chepụtara n'echiche ya ma dee ya ede n'ime akwụkwọ gbasara isiokwu e nyere ya ka a na-akpọ edemede. Akidi (2012) kọwara edemede dịka ihe mmadụ chepụtara n'onwe ya dee banyere isiokwu ọ họrọ maọbụ nke e nyere ya. Ike (2015) kọwara edemede dịka ihe ọbụla e chepụtara e chepụta ma depụtakwa ya ka onye ọ bụla ọ masịrị gụọ. Ọ gakwara n'ihu kwuo na e nwere ike ịrụtụ ihe ọbụla aka n'edemede. Edemede nwere ike imetụta mmadụ, anụmanụ, ọrụ aka mmadụ, ụwa na ihe niile dị n'ime ya. Ihe ọbụla ederede bụ edemede. Okoli (2016) n'aka nke ọzọ kọwara edemede dịka mbọ odee gbara n'ụdị akụkọ o chepụtara ma hazie ha iji mee ka o zipụta echiche ya gbasara isiokwu ọbụla ebe Eze (2019) kọwakwara edemede dịka ihe ọbụla mmadụ chepụtara ma depụta n'otu oge na ngalaba ihe ọmụmụ ka onye ọ bụla ọ masịrị gụọ.

Asụsụ a nabatara e ji ede edemede asụsụ Igbo bụ asụsụ Igbo izugbe. Mana nke a adịchaghị ire ugbu a n'ebe ụmụakwụkwọ na-ede asụsụ Igbo nọ maka na ọtụtụ n'ime ha na-abụ ha na-ede ihe maọbụ aza ajụjụ ọnụ n'ụlọ akwụkwọ, ha na-ewebata olundị ha na ya. Uba (2015) na nchọcha ha, kọwara na olundị na-emetụta nkụzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo tụmadi mgbe a na-ede edemede Igbo ma ọ bụrụ na e webata ya. Ha gara n'ihu kwuo na mgbe e nyere nwata akwụkwọ edemede ka o dee, ọ bụrụ na nwata akwụkwọ a ede ya n'olundị ya, ọ gaghị enweta edemede e nyere ya ka o dee. Ihe nwere ike ibute nke a bụ maka na mgbe a mụrụ nwata, ihe izizi ọ na-eme bụ ige ndị okenye ntị mgbe ha na-asụ asụsụ olundị ha. Ha na-eme nke a site n'ile ha anya n'ọnụ mụrụ etu e si ekwu okwu n'olundị ha. N'ihi na ha amụtala asụsụ olundị ha tupu ha abịa ụlọ akwụkwọ, ọtụtụ na-eburu ya gafe n'edemede ha, ọkachasị mgbe ha na-amụ ma na-ede edemede Igbo. Atụmatụ a dịka ọ dị taa n'ụlọ akwụkwọ dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-uwani, steti Enugwu bụkwa nke kpaliri mmụọ onye nchọcha a ịchọpụta otu olundị Ụzọ-uwani si ebute nsogbu n'ọmụmụ edemede Igbo ha nakwa ụzọ kacha mma a ga-esi belata ya. Nke a pụtara ihe n'ebe ụmụakwụkwọ senịọ sekọndịri dị na Ụzọ-uwani . Ha anaghị agbaso iwu ndakọrịta ụdaume n'ide asụsụ

Igbo, ebe ọtụtụ amaghịkwa asupe mkpụrụokwu asụsụ Igbo ụfọdụ. Ọtụtụ na-ewebata olundị ha n'ahiriokwu ha dịka Eshi kama ịkpọ Ehi (*cow*), Mmi kama ịkpọ Mmiri (*water*), únú kama ịkpọ Nnu (*salt*), ụkatanyị na ọshụa kama ịkpọ ọhịa (*bush*), ntụ osi kama ịkpọ osisi (*tree*) na ndị ọzọ . Nke bụla na-eme ka ndejọ jupụta n'edemede ha mgbe ụfọdụ nke na-ebute ọdịda na emetaghi nke ọma ụmụakwụkwọ n'ule asụsụ Igbo n'ebe ọ dị ukwuu.

N'aka nke ọzọ, ọtụtụ mgbe ka ndị isi asụsụ Igbo ule dị iche iche na-arụtụ aka n'ọdịda ụmụakwụkwọ site n'iji olundị wee na-enye ọsịsa ajụjụ e nyere ha ma hapụ iji asụsụ Igbo izugbe. Ha gakwara n'ihu kwuo na ụmụakwụkwọ ndị a anaghị emeta nke ọma n'ihe gbasara edemede asụsụ Igbo. Nke a pụtara ihe n'okwu onyeisi asụsụ Igbo, nke West African Examination Council (WAEC) (2016, 2017 na 2018), kọwara na otu ihe mere na ụmụakwụkwọ emeghi nke ọma n'ule ndị a bụ maka na ha amaghị asụsụ Igbo izugbe nke ọma. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ ndị a na-ewebata olundị ha mgbe ha na-ede edemede asụsụ Igbo, nke mere na ha nwere ọtụtụ ndejọ n'edemede Igbo ha dere. Ọ gara n'ihu kwuo na ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-agwọkọta olundị ha na Igbo izugbe mgbe ha na-ede edemede Igbo. Nke a pụtara ihe n'ọtụtụ ndiiche e nwere na mkpọpụta mkpụrụokwu ụfọdụ n'olundị Ụzọ-uwani na Igbo izugbe. Nke ọzọ bụ na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị e ji Igbo izugbe eme mkparịtaụka n'ụlọ akwụkwọ, nke mere ka ha were olundị ha na-asupe mkpụrụokwu ma na-ede £ka kama aka, £shị kama ahụ, £fvụ kama abụ, ashụa kama ahịa dịrị gaba. Ha na-ejikwa mkpụrụokwu ndị a e ji olundị supe emebe ahịrịokwu dịka : Jisi ike n'ọrụ gụ na deje ọrụ kama ị sị Jisi ike n' ọrụ gị, Buyi m ego kama ị sị Binye m ego, o jeri wee kama ị sị o jere ebe e?, mama m jeri ashụa kama ị sị Nne m gara ahịa dịrị gaba. Ihe nke a na-apụtakarị ihe n'ụmụ akwukwo ndị nọ n'ime ime obodo.

Abịa n'asụsụ Igbo, a na-asụpe mkpụrụokwu otu e si akpọpụta ya. Nke a na-eme na ụmụakwụkwọ ọkachasị na mpaghara okpuru ọchịchị Ụzọ-ụwanị na-ede mkpụrụokwu otu ha si akpọpụta ha n'olundị ha nke dịwagara iche n'usoro ide Igbo izugbe. Mgbe ụmụaka ndị a chọrọ ịza ajụjụ ọnụ n'ụlọ akwụkwọ, ha na-eji mkpụrụụdaasụsụ nke dị n'olundị ha anọchite anya mkpụrụụdaasụsụ nke dị n' Igbo izugbe dịka : I ji ụda |£| anọchite anya ụda |a| dịka n'£nya kama ịkpọ anya, £kwụkwọ kama ịkpọ Akwụkwọ, n£ kama ị sị na. Ha na-ejikwa ụda /sh/ anọchite anya ụda /h/ na /s/ dịka eshi kama ịkpọ ya ehi, £shị kama ịkpọ ahụ, Ha jikwa ụda /tsw/ anọchite anya ụda /h/ dịka Ashụa kama ịkpọ ahịa, dịrị gaba. Oge ụfọdụ, mkpụrụokwu ndị a anaghị agbaso iwu ndakọrịta ụdaume dịka asụsụ Igbo sịrị chọọ. Ọmụmaatụ: mkpụrụokwu dịka Nwambe (ebe e), £ka (aka), £kwa (akwa), £nya (anya) dịrị gaba.

Atụtụ Mmekọrịta mmadụ na ibe ya Albert Bandura n'afọ 1962 dabara na nchọcha a n'ihi na o kwuru na ọ bụ asụsụ nwata jiri too ka ọ na-amụta nke ọma. Ọ kọwara na akparamagwa na-esite na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya nke sitere na nnomi maka na nwata ọbụla nwere gburugburu ebe o si pụta, ebe ọ na-enwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Albert kọwara ụzọ atọ ụmụaka si amụta ihe site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya dịka: Nlereanya, Ịchọpụta, Ijije site n'ile nne na nna, ndị ọgbọ, ndị nkụzi na ndị agbata obi anya mgbe ha na-eme ihe ọbụla maọbụ eme omume ọbụla

Ihe ndị bụ nsogbu onye nchọcha hụrụ edemede nke kpaliri mmụọ ya ileba anya na mmekpaahụ olundị na-ebute n'ọmụmụ edemede asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịri seniọ dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-uwani, steti Enugwu, Naijiria.

## Nsogbu Nchọcha

Oge ụfọdụ, Ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-abụ ha na-ede ihe maọbụ na-aza ajụjụ na klasị, ha a na-ewebata olundị ha na ya. Nke a na-esitekarị na mmetụta olundị dị iche iche na Igbo Izugbe nke nwere ike isite na olu asụsụ Igbo gburugburu ebe obibi ha. Nke bụ nsogbu n'ebe ndị nne na nna, ndị nkụzi nakwa ụmụakwụkwọ n'onwe ha nọ n'oge ugbu a ọkachasị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-uwani nke dị na steti Enugwu.Nke a kpaliri mmụọ onye nchọcha ịmata ka mmekpaahụ olundị si emetụta ụmụakwụkwọ n'ideta edemede asụsụ Igbo na sekọndịri seniọ dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-uwani, steti Enugwu, Naijiria.

## Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha ndị:
1. Kedụ ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-uwani nsogbu n'odide edemede Igbo?
2. Olee ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo?

## Ụma Okwu

A nwalere ụmaokwu ndị a n'ogo akara mpụtara ndịmiche 0.05.
**Ho1** E nweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin ọsịsa ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo.
**Ho2** E nweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin ọsịsa ka gbasara ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo.

## Usoro Nchọcha

Onye nchọcha lebara anya n'usoro nchọcha:
Onye nchọcha gbasoro usoro nchọcha Adịm nkọwa (*Descriptive survey research design*) mee nchọcha a. Ọ dabara na nchọcha a maka na e ji ya achọpụta omume ọtụtụ ndị mmadụ na-eme gbasara isiokwu a na-ekwu maka ya. Nworgu (2015) kọwara na ụdị nchọcha a bụ nke a na-eme mgbe ọnụọgụ e ji eme nchọcha buru nnukwu ibu. Ebe anọ mee nchọcha a bụ n'okpuru ọchịchị Ụzọ-ụwanị. Okpuru ọchịchị Ụzọ-ụwanị nwere ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị gọọmenti nwe dị iri na isii n'ọnụgụ. Onye nchọcha ji ụmụakwụkwọ seniọ sekọndịrị ndị nọ n'ogo nke abụọ (SSII) dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ-ụwanị mee nchọcha. Onye nchọcha họrọ ebe nchọcha maka ọdịda na emeghị nke ọma n'ajụjụ edemede Igbo ụmụakwụkwọ n'ule Sekọndịrị siniọ (SSCE).

Ndị eji mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị seniọ nke abụọ (SS2) n'afọ 2021/2022. Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ a dị narị atọ na iri abụọ (320). Ụlọ akwụkwọ ndị mejupụtara ọnụọgụ a dị iri na isii (16). (*Post Primary School Management Board, Nsukka Education Zone, PPSMB*, 2021). Onye nchọcha ji usoro nsere usoro tụmbọm tụmbọm wee họrọ ụlọakwụkwọ abụọ nakwa ụmụakwụkwọ iri anọ (40) bụ ndị e ji mee nchọcha. Ụdị ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha bụ ajụjụ njụmaaza; Mmekpaahụ

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2023.31.2.95-104


olundị n'ọmụmụ edemede asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Senịọ (MONOAINUSS) na edemede nnwale nke ndị nkuzi abụọ nọ na ngalaba asụsụ Igbo nakwa sayensị Edukeshọn lebara anya, ma kwenye na ya bụ ngwa nchọcha dabara nke ọma ma baa uru na nchọcha e ji ya eme.

Onye nchọcha jiri usoro miin na ndịpụnizugbe wee hazie ihe ndị ọ chọpụtara ma jikwara t-test nnwale ụmaokwu nchọcha ya. Ngwa nchọcha nke mbụ, nke bụ maka ajụjụ njụmaaza nwere ajụjụ iri abụọ (20) ụmụakwụkwọ ga-aza, ebe nke abụọ bụ maka nnwale nwere otu ajụjụ ụmụakwụkwọ dere. Onye nchọcha kere ụmụakwụkwọ ngwa nchọcha site n'enyemaka ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ndị e ji mee nchọcha a. O kekwara ụmụakwụkwọ ajụjụ edemede maka inweta ọsịsa ha gbasara ajụjụ nchọcha .

Onye nchọcha ji miin na Ndipunizugbe wee hazie nhọpụta ya. E kewara njụmaaza a ụzọ anọ n'ụdị: E kwesiri m ike (EMI) = akara anọ (4) E kwere m (EM) = akara atọ (3) A jụrụ m (AM) = akara abụọ (2) A jụsiri m ike (AMI) = otu akara (1). E ji usoro ntụcha Cronbach's Alpha nnwale ya n'akara mgbakọ 0.87. Nke a gosiri na ngwa nchọcha a dabara na nchọcha a. Akara miin ọbụla ruru 2.5 wee gbagowe bụ nke a nabatara na nchọcha a, ebe nke erughi 2.5 bụ nke anabataghị.

## Nchọpụta

Onye nchọcha jiri tebul zipụta ọsịsa o nwetara:

**Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ**
**Kedu ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo?**

**Tebụl nke mbụ:** Ọsịsa Miin na Ndipụnizugbe gbasara ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo.

| ỌNỤỌGỤ | NDỊNA | EMI | EM | AM | AMI | MIIN | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 1 | Ụmụakwụkwọ na-agwakọta olundị Ụzọ-ụwanị na nke Igbo izugbe mgbe ha na-ede edemede Igbo | 20 | 19 | 9 | 2 | 3.14 | 0.85 | Ekwere m |
| 2 | Ụmụakwụkwọ na-eji usoro odide mkpụrụokwu na ahịrịokwu n'olundị Ụzọ-ụwanị ede edemede Igbo izugbe. | 15 | 29 | 5 | 1 | 3.16 | 0.67 | Ekwere m |

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2023.31.2.95-104


| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 3 | Ụmụakwụkwọ na-eji mkpụrụụdaasụsụ dị n'olundị Ụzọ-ụwanị anọchite anya nke dị n'asụsụ Igbo izugbe dịka ụda £ kama a. | 18 | 23 | 5 | 4 | 3.1 | 0.88 | Ekwere m |
| 4 | Ụmụakwụkwọ na-ede mkpụrụokwu n'edemede Igbo ha otu ha siri daa ha n'ọnụ n'olundị ha. | 30 | 12 | 8 | 0 | 3.44 | 0.75 | Ekwere m |
| 5 | Ụmụakwụkwọ anaghị agbaso iwu ndakọrita ụdaume Igbo mgbe ha na-ede edemede Igbo n'ihi na ha na-eji olundị ha ede ya. | 10 | 28 | 8 | 4 | 2.88 | 0.82 | Ekwere m |
| | **Mkpokọta ọnụ akara miin =** | | | | | **3.14** | **0.79** | **Ekwere m** |

Ọsịsa tebul nke mbụ na-egosi ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo. Akara miin ndịna gosipụtara nke a gụnyere 3.14, 3.16, 3.1, 3.44, na 2.88. Ebe akara ndipụnizugbe gosiri 0.85, 0.67, 0.88, 0.75 na 0.82 n'otu n'otu. Akara miin ndị a rụrụ ma gafekwa 2.5, nke bụ akara ọnọdụ mkpebi miin a nabatara dịka nke dabara na nchọcha a. Akara miin a na-egosi na olundị na-enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo maka na ha ruru akara miin 2.5.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ**
**Kedu ka olu asụsụ (olundị) Nne na Nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta edemede asụsụ Igbo ha?**

**Tebul nke Abụọ:** Ọsịsa Miin na Ndipụnizugbe gbasara ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo.

| ỌNỤỌGỤ | NDỊNA | EMI | EM | AM | AMI | MIIN | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 6 | Ọlundị nne na nna m ji zụlite m na-adọghachi m azụ na mmeta nke ọma n'edemede Igbo. | 11 | 26 | 8 | 5 | 2.86 | 0.87 | E kwere m |
| 7 | A na m asụ asụsụ Igbo nke ọma ma ọ bụrụ na m e jiri olundị nne na nna m ji agwa m okwu na-asụ ya. | 8 | 35 | 7 | 0 | 3.02 | 0.58 | E kwere m |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 8 | Ụfọdụ ndị nne na nna anaghị asụ asụsụ Igbo ma ya fọdụ ịkụziri ụmụaka ha. | 33 | 12 | 3 | 2 | 3.52 | 0.78 | E kwere m |
| 9 | Ụfọdụ ụmụaka na-aghọtakarị ihe nne na nna na-agwa mgbe ha ji olundị ekwu okwu karịa Igbo Izugbe. | 36 | 10 | 3 | 1 | 3.62 | 0.69 | E kwere m |
| 10 | Ọ bụ olundị nne na nna m ji agwa m okwu n'ụlọ ka m ji edekwazi edemede Igbo n'Ụlọakwụkwọ. | 39 | 9 | 2 | 0 | 3.74 | 0.52 | E kwere m |
| | **Mkpokọta ọnụ akara miin =** | | | | | **3.35** | **0.69** | **E kwere m** |

Tebul nke abụọ na-egosi ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede asụsụ Igbo. Akara miin ndina gosipụtara nke a bụ 2.86, 3.02, 3.52, 3.62, na 3.74. ebe akara ndipụnizugbe pụtara 0.87, 0.58, 0.78, 0.69, 0.52 n'otu n'otu. Akara miin ndị ahụ gafere 2.5 nke bụ akara ọnọdụ mkpebi miin a nabatara dịka nke dabara na nchọcha a. Akara miin ndị ahụ na-egosi na asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha na-emetụta ha n'odide edemede asụsụ Igbo. Ọzọkwa, mgbakọta ọnụ akara miin e nwetara na tebul nke atọ bụ 3.35 bụ nke ruru ma gafere akara miin e kwekọrịtara.

Nchọpụta onye nchọcha nwetara na tebul nke atọ gosiri t-cal bụ 2.65 gbasara ndịmiche na ọsịsa miin ụmụakwụkwọ ndị nwaanyi na nke ndị nwoke na ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo. Probability value na bekee bụ 0.20 karịrị apriori level of significant bụ 0.05. N'ihi nke a, ụmaokwu efu nchọcha a bụ nke e kwetara. Ihe nke a pụtara bụ na enweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin ọsịsa ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị na nke ndị nwoke gbasara ka olundị asụsụ Igbo si enye ụmụakwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo.

**Ụma Okwu nke Abụọ HO3 site n'iji T-test.**
**Ho3** E nweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin ọsịsa gbasara ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo.

**Tebul nke atọ**: T-test ọsịsa miin ụmụakwụkwọ gbasara otu asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo.

| **Ụmụakwụkwọ** | **N** | **MIIN** | **SD** | **Df** | **t-cal** | **Sig** | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndị nwoke | 26 | 3.24 | 0.70 | 48 | -1.222 | 0.18 | Nju riijet |
| Ndị nwaanyị | 24 | 3.46 | 0.54 | | | | |

Nchọpụta onye nchọcha nwetara na tebul nke atọ gosiri t-cal bụ - 1.222 gbasara ndịmiche na ọsịsa miin ụmụakwụkwọ ndị nwaanyi na nke ndị nwoke na ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo. Ebe ọ bụ

na probability value na bekee bụ 0.18 karịrị apriori level of significant bụ 0.05. N'ihi nke a, ụmaokwu efu nchọcha a bụ nke e kwetara. Ihe nke a pụtara bụ na enweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin ọsịsa ndị nwoke na nke ndị nwaanyi gbasara ka asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha si emetụta odide edemede Igbo.

## Nchịkọta Ihe A Chọpụtara

Site na rịzọlt nchọcha e depụtara n'elu ebe a, onye nchọcha chọpụtara na:

1. Olundị na-enye ụmụ akwụkwọ Ụzọ-ụwanị nsogbu n'odide edemede Igbo. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ amaghị asupe mkpụrụokwu Igbo izugbe ebe ọtụtụ amaghị ede asụsụ Igbo ma ncha. Ụfọdụ na-agwakọta olundị ha na nke Igbo izugbe ọnụ n'edemede Igbo ha dere.
2. Olundị ndị nkụzi asụsụ Igbo ụfọdụ ji a kụziri ụmụakwụkwọ Igbo na-emetụta mmeta nke ọma ha n'edemede Igbo. Ụfọdụ ndị nkụzi Igbo na-agwakọta olundị ha na Igbo izugbe ọnụ mgbe ha na-akụzi ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Ọtụtụ oge, ndị nkụzi anaghị enwe mmasị ide ihe na mgbo odee ka ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo hụụ mkpọpụta mkpụrụokwu ndị a n''ọnụ.
3. Asụsụ (olundị) nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha na-emetụta edemede asụsụ Igbo ha. Ụfọdụ ndị nne na nna anaghị asụnyere ụmụaka ha asụsụ Igbo ma ya ụfọdụ olundị. Nke a na-eme na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị edeta edemede asụsụ Igbo nke ọma n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ọkachasị m'ogo siniọ.

## Ntụnye Aro

Site na nchọpụta onye nchọcha wepụtara aro ndị a:

a. Ndị nkụzi Igbo kwesiri inye ụmụakwụkwọ ha edemede Igbo kwamgbe kwamgbe na klasị iji belata nsogbu olundị na-ebute n'odide edemede Igbo.,
b. Gọọmenti kwesiri iguzobe wọọkshọp nakwa semina ebe ndị nkụzi asụsụ Igbo niile ga-agbakọta wee mụọ usor nkuzi ọhụụ
ch. Ndị nne na nna Igbo kwesiri iji Igbo izugbe na-akpakọrịta nkata n'ezinaụlọ ha dịche iche iji kwalite mmasị ha n' odide asụsụ Igbo bido na nwata , ha were ya na-eto.
d. Gọọmenti aga-agba mbọ webata ngwa nkuzi ndị ahụ adịghị n'ime obodo, bụ nke dị n'obodo mepere emepe dịka ọkụ latrịkị, ezigbo okporo ụzọ, mmiri bohol, gbamgbam dị mma, oche, tebul na ihe ndị ọzọ ga-eme ka ụlọ akwụkwọ ndị a dị mma. Nke a ga-eme ka ndị nkụzi Igbo ghara ịnya isi ma eziga ha nkuzi n'ime obodo.

## Nrụaka

Akidi, F. C. (2012). Igbo language and its characteristics. *Ọja International Journal of Igbo African and Asian Studies,* 212-219.

Ali, A. (2006). *Conducting research in education and the social sciences.* Enugu: Tashiwa Network.

Allison, L .M. (2015). *Inspiring academic confidence in classroom.* Retrieved August 8, 2013, from http:// www.academic confidence.org/Interest

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2023.31.2.95-104


Emenanjọ, E. N. (2004). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo izugbe*. Ibadan: Longman.

Eze, R. I. (2019). *Mmụta ssụsụ n'ogo Junio Sekọndịrị.* Nsukka: Chuka Educational Publishers.

Eze, R. I. (2016). *Adịmire usoro nkụzi mkpakọrịtaụka na mmasị ụmụakwụkwọ n'ideta ụtọasụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị zonu Edukeshọnụ Obollo, steti Enugwu Naịjiria*. Amụma Ph.D Mahadum Naijiria, Nsụka.

Federal Republic of Nigeria (2014). *National policy on education*. Abuja: NERDC.

Ilechukwu, D. I. & Ezenagu, C. (2016). Ndị ntorobịa na olile anya asụsụ Igbo. *Interdisciplinary Journal of African and Asian Studies*.

Ike, C. C. (2015). *The development of academic interest and achievement motivational.* San Diego, CA: Academic Press.

Ilechukwu, D. I. & Ezenagu, C. (2016). 'Ndị Ntorobịa na Olile Anya Asụsụ Igbo' In *Interdisciplinary Journal of African and Asian Studies,* vol (2) 1. Awka :Amaka Dreams Ltd.

Nwaozuzu, G. I. (2017). *Dialects of Igbo Language (rev.ed)*. Nsukka : University of Nigeria Press.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational Research :Basic Issues and Methodology (3rd edition).* Enugu : University Trust Publishers. .

Okoli, A. L. & Aniugbo, H.U.(2016).*Ntọala Asụsụ Na Agụmagụ Ederede Igbo (2nd edition).* Enugu : Boldstep Ventures.

Uba, R. N. (2015). *Family Studies* . Cambridge : Cambridge University Press.

Udo, D. E. (2013). *Challenges In Academic Life*. Oxford : Oxford University Press.

Udoka, R. N. (2014). *Education and Language In Perspective.* Cambridge : Cambridge University Press.

**Publisher's Note/Disclaimer:** The statements, opinions, and data contained in all publications are solely those of the individual author(s) and contributor(s) and not of NJH. NJH disclaims responsibility for any injury to people or property resulting from any ideas, methods, instructions, or products referred to in the content.